# NTỤCHA NGWAA INWE NNARA: NNWE NNARA, ENWE NNARA NA NNARA MGBA ABỤỌ N'OLU EZIOWELE

**Rita Chika Anaekwe**
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta ozi*
*MahadumNnamdị Azikiwe, Ọka*
07039306746

**&**

**Thecla Ngọzi Udemmadụ**
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta ozi*
*MahadumNnamdị Azikiwe, Ọka*
**tn.udemmadu@unizik .edu.ng**
**07038296805**

## Ụmedemede

Ngwaa bụ nkejiasụsụ na-egosi ihe isiahịrị na-eme n'ahịrịokwu. Ọ na-enye nkọwa ihe isiahịrị mere n'ahịrịokwu. Ngwaa bụ mkpụrụokwu na-agwa anyị ihe isiahịrị mere, ihe ọ na-eme na ihe ọ ga-eme. E nwere mkpụrụokwu ndị na-akọwapụta onye ritere uru, tara ahụhụ maọbụ onye ihe a gwara metụtara kpọmkwem. Mana ụfọdụ ndị ọka n'asụsụ dịka Emenanjọ, Nwachukwu, Ụwalaka na-arụrịta ụka ma e nwere nnwe nnara, enwe nnara na nnara mgba abụọ n'asụsụ Igbo. Ebumnobi ịkọwapụta ihe bụ nnwe nnara, enwe nnara, nnara mgba abụọ na izipụta ndịiche ha, ọkachasị ka ha siri metụta olu Eziowele. A gbasoro usoro sọvee wee mee nchọcha a ma were atụtụ ụtọasụsụ nnwogharị nke Chomsky (1957) hazie ya. Na nchọcha a, a chọpụtara na a naghị ezipụta nnara na ndokọ elu, ebe ụfọdụ na-achọkwa nnara abụọ iji zipụta nghọta zuru oke. Nchọcha a ga-abara ọtụtụ ndị uru ọ kachasị ndị amụmamụ ụtọasụsụ lgbo. Ọ ga-abụkwa ngwa ọrụ maka ọmụmụ asụsụ lgbo nke e nwere ike ịgbado ụkwụ na ya wee mụọ ngwaa nnara na asụsụ lgbo izugbe na n'olu ndị ọzọ. Na nchịkọta, a tụrụ aro ka e lebaa anya n'olu asụsụ lgbo dị iche iche ma chọpụta etu ha si ezipụta ngwaa nnara.

## Okwu mmalite

N'ụtọasụsụ Igbo, e nwere nkejiasụsụ dị iche iche. nkejiasụsụ a bụ ụzọ e si kewasịa mkpụrụokwu dị n'asụsụ Igbo site n'ụdị ọrụ nke ọbụla na-arụ n'ahịrịokwu Igbo. Otu n'ime nkejiasụsụ ndị a bụ ngwaa. Ọrụ ngwaa n'ahịrịokwu Igbo bụ ikwu maka mmem maọbụ ihe ọbụla e mere, nke na-eme eme na nke ga-eme n'ọdịnihu. Ọ bụ ngwaa na-agwa anyị ihe isiahịrị mere, ọnọdụ isiahịrị nọ na ya, ihe ọ na-eme na ihe ọ ga-eme n'ahịrịokwu.
N'ọrụ ngwaa a ka ụfọdụ ndị ọkammụta na-arụrịta ụka n'etu ngwaa si arụ ọrụ ya n'asụsụ Igbo. Dịka Emenanjọ (1987, 2015) si akọwa, ya onwe ya na-ekwu na e nweghị nnwe nnara na enwe

nnara n'asụsụ Igbo n'ihi na, dịka o si ekwu, ma ngwaa ndị a na-asị bụ nnwe nnara na enwe nnara na-ejicha nnara arụ ọrụ n'asụsụ Igbo. Mana Ụwalaka (1983), Nwachukwu (1983, 1984), Ihionu (1992), Ụbahakwe (1996), Mbah (1999, 2011, Manfredi (2011), Ezenwafor (2011), Okeke (2011, Ikegwuonu (2011), Mmadike (2011) na ndị ọzọ nọbu na mbụ kwudosie ike na ngwaa Igbo nwere nnwe nnara na enwe nnara.

Ọ bụ mgbagha dị etu a kpalitere mmụọ nwanchọcha n'agbanyeghị nchọcha ndị e merela n'isiokwu a, o wee chọọ ka o nyochaa etu ọnọdụ ngwaa si wee dị n'olu Eziowele. Eziowele so n'otu obodo dị na kansul ime obodo Idemili Nọtụ na steeti Anambara. Olu Eziowele so na *East Niger group of dialect* dịka Nwaozuzu (2017) siri kewasị olundị dịgasị n'asụsụ Igbo.

**Ntụlegharị agụmagụ**

Ọtụtụ ndị odee na ndị ọka n'asụsụ edeela ọtụtụ n'isiokwu dị iche iche metụtara isiokwu nchọcha a.

**Ngwaa nnara**

Nnara, dị ka o si dị mkpa n'usorookwu Igbo, ebutela nnukwu mgbagharị ọnụ (Nwachukwu, 1983, 1984 na 1986). Dị ka Nwachukwu (1983) dere na Emenanjo (1984 na 1986) na-akọwa na e kwesịghị inwe nnara na ngwaa Igbo makana ngwaa Igbo na-arụ ụfọdụ ọrụ mmeju na-arụ na ndokọ elu. Ọ na-elegara Awobuluyi (1972) anya onye na-ekwu na nnara ekwesịghị ka e webata ya na usorookwu ndị Yoruba, na a naghị ekerisi ngwaa Yoruba n'ụdị nnara.
Emenanjo kwuru na ọ bụrụ na nnara enweghị isi na Yoruba na ọ ga-adịkwa otu ahụ n'asụsụ Igbo ya na ndị gbara ha gburugburu n'ihi na ha si n'asụsụ ezinaụlọ KWA dị na "*Niger-Congo*".

**Nnwe nnara**

N'isiokwu metụtara ngwaa nnwe nnara, Emenanjọ (2015) na-ekwusi ike na ngwaa nnwe nnara adabaghị adaba n'asụsụ Igbo na n'ụfọdụ asụsụ si n'ezinaụlọ 'Kwa' na ọdịda anyanwụ mba Afrịka. O kwuru nke a n'ihina e nweghị ike ịtụcha ngwaa nnwe nnara na ndokọ omimi

Oweleke (2015) na-akọwa na mgbagha banyere nnwe nnara ekeela ndị ọka n'asụsụ Igbo ụzọ abụọ ndị kwere na ya na ndị ekweghị. Òtù ndị ahụ bụ otu Nwachukwu bụ otu ndị kwenyere na e nwere ngwaa nnwe nnara n'lgbo, na òtù Emenanjọ ndị na-agbagha na asụsụ Igbo enweghị ngwaa nnwe nnara.

Awobuluyi (1972) na-akọwa na e nweghị nnara n'usorookwu Yoruba makana a naghị ekerisi ngwaa Yoruba n'ụdị nnara. Emenanjọ kwuru na ọ bụrụ na nnara enweghi isi na Yoruba na ọ ga-adịkwa otu ahụ n'asụsụ Igbo ya na ndị gbara ha gburugburu n'ihi na ha sị n'asụsụ ezinaụlọ Kwa dị na "Niger- Congo".

Hopper na Thompson (1982) na-ekwukwa na aro Awobuluyi na Emenanjo bụ ihe a ga-akwado kama a ga-ele mara ma ọ dị n'asusu niile. Nlebami anya a mịtara mkpụrụ n'ime ka ndi a gbaa ihe ndị a n'elebaghị anya n'anwụ. Emenanjo na-ekwu ka e were mmeju ngwaa were dochie anya nnara. O wepụtakwara ụdị mmeju ndị a:

Mmeju ngwaa ozurumba (general complement verb)
Mmeju Onwe (inherent complement verb)

Mmeju Ntado (bound complement verb)
Mmeju mbuụzọ (prepositional complement)
Mmejukeịgativ (ergative complement verb)
Wehmers (1968) kwuru na enweghi oge e ji mara na e nwere ogwe ngwaa na mgbakwunye n'asụsụ Igbo. Perlmuttar (1978), Carine (2006) na nkọwa ya, kwụrụ na ngwaa otu nnara bụ na oke mkpụrụokwu na-eso ngwaa, ọ na-elebanye anya na nke a site n'iheo kwenyere bụ mkpụrụokwu, nke ọrụ ya bụ Nkebiokwu nkeaha gasi na Nkebiokwu nke mbuụzọ. Ya mere o bụrụ na nnara nwere otu mkpụrụokwu (aha) maobu na-esote otu mkpụrụokwu aha ya bụ na enwere ike ịsị na ọ bụ enwe nnara. Ọ bụrụ na nnara nwere mkpụrụokwu (aha) abụọ n'ime ahịrịokwu ahụ, a ga asi na o bụ nnwe nnara mana ọ bụrụ na nnara nwere mkpụrụokwu abụọ maọbụ karia n'ime ahịrịokwu, ọ bụrụ nnwe nnara abụọ.

Carnie (2006) na nkọwa ya na-ekwu na iwebata mkpụrụokwu nke nnara ga-anabata na nke bụ nnara, na-eweta ọtụtụ ihe mkpọbi ụkwụ n' ime ahịrịokwu. Emenanjọ (2015) dere na nnara ekwesighị ka ekwute ya na ngwaa asụsụ Igbo.ọ na-akọwakwa na e nweghị ike itinye nnara n'asụsụ lgbo ya na ụfọdụ asụsụ dị na ọdịda anyanwụ. Ihe kpatara nke a bụ na nnara bụ ndokọ elu ya mere na a gaghị anabata ya dịka nnara n'ime ndokọ omimi. O mekwara ka a mata na a ga-anabata ya dịka mmeju kama nnara n'ime usorookwu asụsụ Igbo. Uchechukwu na Oweleka (2012) kwuru na usoro kasị mma na nnwe nnara na Enwe nnara ngwa Igbo bụ ihe ọ gaghị ekwe omume n'ihi na ụdị usorookwu na ụdị nghọtaokwu ngwaa Igbo. Na mgbagha ha, ndị odee ndị a na-ekwusi ike na onye mgbagha bụ ndị òtù Nwachukwu ga-anwachapụta ụdịrị nkọwaokwu nke na-akọwa maka sọọsọ ndokọokwu n'ihi na ọtụtụ ngwaa Igbo bụ nnara n'ihi na ngwaa na-abata n'ụdịrị mkpọaha.

**Enwe nnara**
Enwe nnara bụ usorookwu na-enwe naanị omee na ihe o mere. Ọ na-abụ naanị isiahịrị ka ọ na-ekwu maka ya. Enwe nnara anaghị enwe onye ritere uru maọbụ onye natara ntaramaahụhụ ihe e mere. Ọ bụ naanị isiahịrị ka ọ na-ekwu maka ya:

**Ọmụmaatụ,**

1. i. O riri nri

   ii. Nkechi zuru ohi

   iii. Ọ gara ahịa

N' ahịrịokwu ndị a, "nri", "ohi", "ahịa" bụcha mmeju. Ha abụghị nnara (Emenanjọ 2005)

**Nnwe nnara mgba abụọ**

Nnwe nnara mgba abụọ bụ usorookwu na-enwe isiokwu, ngwaa, na nnapụta.

**Ọmụmaatụ;**

| 2.a. | Ebere | zuru | ohi | ji | Okafọ |
|---|---|---|---|---|---|
| | Isiahịrị | ngwaa | mmeju | nnapụta | nnara |

| 2.b | Ifeanyi | zụtaara | Ugọnna | akwa |
|---|---|---|---|---|
| | Isiahịrị | ngwaa | nnara | nnapụta |

N'ọmụmaatụ 2a, 'Ebere' bụ isiahịrị, 'zuru' bụ ngwaa, 'ohi' bụ mmeju ngwaa, 'ji' bụ nnapụta, ebe Ọkafọ bụ nnara. Etu ahụ ka ọ dịkwa n'ọmụmaatụ 2b, 'Ifeanyị' bụ isiahịrị, 'zụtaara' bụ ngwaa, 'Ugonna' bụ nnara, ebe 'akwa' bụ nnapụta.

**Atụtụ nchọcha**

Nkeji a bụ maka inye nkọwa na ịtụrisi atụtụ e ji mee nchọcha a. Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ atụtụ ụtọasụsụ nnwoghari. Ka anyị kọwazie ya n'okpuru ebe a.

**Atụtụ ụtọasụsụ nnwogharị**

Atụtụ ụtọasụsụ kennwogharị bụ Noam Chomsky wepụtara ya n'afọ1957 oge o biputara akwụkwọ nchọcha ya ọ kpọrọ *Syntatic Structures*n'asụsụ Bekee. Ọ bụ usoro ụtọasụsụ nke gbasoro usoro ụtọasụsụ kenkebiokwu ma gakwaa n'ihu na-elebaanya na mgbanwe dị iche iche na-apụta n'asụsụ tupu a sụọ ya. Ya mere eji asị na usoroụtọasụsụ a dị ka nke na–elebanye anya na mmetụta akọnuuche na asụsụ, ọ na-elebamị anya ma chọpụta ihe ndị gabigara mgbe akọnuuche mmadụ na achịgharị asụsụ.

Ebumnuche atụtụ a bụ ileba anya na mgbanwe dị iche iche na-apụta n'asụsụ tupu a suọ ya. Ọzọ bụịkọwa maka nkammụta asụsụ nke onye nwe asụsụ na-apụta ihe mgbe o ji asụsụ eme ihe site n'ịgbaso iwu doro anya e si emepụta ahịrịokwu n'asụsụ ahụ. Ebumnuuche ọzọ bụ isi n'obere nnwogharị dị iche iche banyere n'ahịrịokwu site ịgbaso usoro mbugharị, ndochi na mwepụ. ọzọkwa bụ ileba anya na mgbanwe dị iche iche pụtara na ndokọ elu na ndokọ omimi nke ahịrịokwu.

Tupu usoro atụtụ a apụta ihe, ahịrịokwu na-enwe naanị isiahịrị na nnara. Agbedo (2000) kwuru na usoro ụtọasụsụ kenkebiokwu ezughi oke n'ihi na o nweghị ike ịkọwa na ahịrịokwu bụ okwu ihu maọbụ okwu azụ.

Usoro ụtọasụsụ kennwọgharị na-akọwa maka nkammụta asụsụ nke onye nwe asụsụ nke na-apụta ihe mgbe o ji asụsụ eme ihe site n'ịgbaso iwu doro anya e si emepụta ahịrịokwu n'asụsụ ahụ.Scott na Perlmutter(1979) n'aka nke ha mere ka a mata na enwere nkọwa usorookwu nke na-egosi nnwogharị di iche iche ahịrịokwu maọbụ usorookwu gabigara.

Chomsky (1965) kwuru na ụtọasụsụ kennwogharị na-esin'obere nnwogharị dị iche iche banyere n'ahịrịokwu site n'ịgbaso usoro mbugharị,ndochi na mwepu.

Mbah (2006) kọwara na iwu nnwogharị na-eleba anya ma na-atụle mgbanwe dị iche iche pụtara na ndokọ elu na ndokọ omimi nke ahịrịokwu. Ogo ndokọ elu bụ ogo na-ezipụta etu esi asụ ya. Nke a anaghị ezipụta ihe niile kwesịrịịdị n'ahịrịokwu ahụ, ụfọdụ mkpụrụokwu bụ ndị e nwogharịrị na ndokọ omimi.

Mbah (2006) kọwara na nnwogharị na-akọwa mmekọrita dị n'etiti ogo ndokọ elu na ogo ndokọ omimi. Chomsky n'ime Ndimele (1999) na-ekwu na e ji nnwogharị akọwa mmebere ahịrịokwu, na ahịrịokwu ndị mkpụrụokwu mebere ha eyiteghi, nwere ike isi n'otu ntọala ma nwee nghọta yitere onwe ha. Ntọala ahịrịokwu ndị yitere onwe ha na ndokọ elu nwere ike isite n'ahịrịokwu dị iche iche.

**Ntulegharị edemede nchọpụtaga**

Ọtụtụ ndị edeela ihe n'isiokwu yitere isiokwu nchọcha a. Chukwurah (2015) dere n'isiokwu bụ "*Transtivity of Igbo verbs*". Ebumnobi o ji mee nchocha bụ igosipụta na e nwere nnwe nnara n'asụsụ Igbo. Nchọcha o mere bụ nchọcha nkọwa, o jikwa atụtụ Mkpelata *(Minimalist Approach*) wee mee ya. O ji ezi ọmụmaatụ dị iche iche wee zipụta nchọcha ya. ọ bụkwa asụsụ Bekee ka o ji depụta ya.

Agbo (2017) dere n'isiokwu bụ: "*Causativity and Transtivity in Igbo*". Ebumnobi o ji mee nchọcha a bụ izipụta ụdị ngwaa nnara dị iche iche.ọ gara n'ihu zipụta ọnọdụ nkebịahiri na ngwaa nnara. Nchọcha o mere bụ nchọcha nkọwa, ọ gbasoghikwa atụtụ ọbụla wee mee ya kama o ji ezi atụ dị iche iche wee kọwapụta ya. O depụtakwara nchọcha ya n'asụsụ Bekee.

Agbo na Yuka (2011) dere n'isiokwu bụ: "*Transtivity and Double Object Construction in Igbo*" Nchọcha ha lebara anya na ngwaa nnara na nnwe nnara abụọ n'asụsụ Igbo. Ebumnobi ha ji mee nchọcha a bụ iji gosipụta na asụsụ Igbo nwere ngwaa nnara. Ha kọwapụtakwara na ngwaa nnara dị iche na mmeju. Nchọcha ha mere bụ nchọcha nkọwa. Ha agbasoghi atụtụ ọbụla wee mee nchọcha ha kama ha gbadoro ụkwụ nchọcha ha n'amụma Hoppere na Thompson (1980). Nchọcha a bụkwa nke e ji ezi atụ dị iche iche wee depụta. Ha dekwara ya n'asụsụ Bekee.

Nweze (2007) dere n'isiokwu a bụ: "*Ergative Contructions in Imilike Dialect of Igbo*" Ebumnobi o ji mee nchọcha ya bụ izipụta mmekọrịta dị n'etiti ngwaa nnwe nnara na Enwe nnara n'olu asụsụ Imilike. Ọ gbasoro atụtụ ụtọasụsụ nnwogharị wee mee nchọcha ya. Ọ ji atụ dị iche iche wee zipụta ya ma werekwa asụsụ Bekee depụta ya.

Udemmadụ (2012) mere nchọcha n'isiokwu ọ kpọrọ " Complementation in the Igbo language". Ọ kọwapụtara ụdị mmeju dị iche iche dịka; keonwe, kentado, kembuụzọ, ke ahịrịokwu, dg.

Udemmadụ rụtụkwara aka n'ụfọdụ kemmeju dịka, 'ma, ka, sị, na, dg." O ji atụtụ Chomsky (1957) wee kọwamie ọmụmaatụ ndị ahụ. Nchọcha ya yitụrụ nke a mana ndịiche ha bụ na ọ bụ naanị mmeju na kemmeju ka o lebara anya na ya, mana nchọcha a lebara anya na ngwaa nnara. N'okwu dị ka ibe ya Mba (2022) mekwuru nyochara isiokwu bụ "Nnara na mmeju n'ụtọasụsụ Igbo". Mba kọwara ndịiche dị n'etiti nnara na mmeju. Nchọcha ya na nke a yitere ma ha abụghị otu n'ihina nchọcha na-eleba anya ngwaa nnara: nnwe nnara, enwe nnara na nnara mgba abụọ. Atọwa (2009) mere nchọcha na "Noun phrase complementation clauses in Igbo: Ngwa dialect examples." Atọwa ji olu Ngwa wee kọwapụta ụdị ụdị mmeju na kemmeju dị iche iche dịka, 'ma, na, dg.' Nchọcha yitụrụ nke a na-eme ugbua mana Atọwa mere nke ya na olu Ngwa ebe nwanchọcha na-eme n'olu Eziowele.

Site na nkọwa ndị a e mere, o gosiri na e kwesịrị ịga n'ihu mee nchọcha n'isiokwu a bụ "Nnwe nnara, enwe nnara na nnara mgbe abụọ n'olu Eziowele".

Nwanchọcha atụlechaala edemede dị icheiche ndị ọkaasụsụ dị iche iche dere ndị metutara isiokwu nchọcha a. Ụwalaka (1983) Nwachukwu (1993), Uchechukwu (2012), Udemmadụ (2012) , Oweleke (2015) Emenenjo (2015), Atọwa (2019), Mba (2022) na ọtụtụ ndị ọzọ edeela banyere ngwaa nnara n'asụsụ Igbo, mana o nwebeghị onye ji olu Eziowele wee lebaa anya na ngwaa nnara. Ọ bụ nke a mere nwa nchọcha ji gaa n'ihu n'isiokwu a bụ: "Ntụcha ngwaa inwe nnara: Nnwe nnara, enwe nnara, na nnwe nnara mgba abụọ n'olu Eziowele".

**Iji atụtụ ụtọasụsụ nnwogharị tụchaa enwe nnara n'olu Eziowele**

Enwe nnara bụ usorookwu na-enwe naanị isiahịrị na ngwaa maọbụ omee na ihe o mere. Ọ na-abụ naanị isiahịrị ka ọ na-ekwu maka ya. Enwe nnara anaghị enwe onye a na-agwa maọbụ onye ritere uru maọbụ onye natara ntaramahụhụ n'ihe e mere. Ọ bụ naanị isiahịrị ka ọ na-ekwu maka ya. Ọmụmatụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| 3. | O | lilu | nni |
| | S/he | eat-pst | food |
| | *S/he* | *ate* | *food* |
| | Isiahịrị | ngwaa | mmeju |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 4. | Chike | zulu | oshi |
| | Chike | steal-pst | steal |
| | *Chike* | *stole* | |
| | Isiahịrị | ngwaa | mmeju |

5. Eghu mabatalụ

Goat jump-enter-pst

*Goat jumped inside*

Isiahịrị ngwaa

6. Mmili na-eshu

Water is-going

*It is flooding*

Isiahịrị ngwaa

**Iji atụtụ ụtọasụsụ nnwogharị tụchaa Nnwe nnara n'olu Eziowele**

Nnwe nnara bụ usorookwu a na-emepụta ihe abụọ n'ebe a, a na-ahụ isiahịrị, na-enwe ngwaa na nnara. A bịa n'ụdị usorookwu a, a na-enwe onye ritere uru maọbụ onye natara ntaramahụhụ maọbụkwa onye na-ekwu okwu na onye a na-agwa okwu n'agwa a kpara n'ahịrịokwu ahụ. N'ebe a, a na-enwe isiahịrị ngwaa na nnara. Ọmụmaatụ,

7. Nna m gbulu eshi alusị

Father me kill-pst cow deity

*My father killed a deity's cow*

Isiahịrị ngwaa nnara nnapụta

8 Chike fulu Ada n' anya

Chike see-pst Ada in eye

*Chike loves Ada*

Isiahịrị ngwaa nnara mbuụzọ mmeju

9. Eghu talụ ji nna m
Goat eat-pst yam father me
*Goat ate my father's yam*

Isiahịrị ngwaa nnara nnapụta

**Iji atụtụ ụtọasụsụ nnwoghariị tụchaa nnwe nnara mgba abụọ n'olu Eziowele**

A na-enwe nnwe nnara mgba abụọ oge usorookwu na-enwe isiahịrị ngwaa, nnara na nnapụta. N'usorookwu a, a na-enwe onye bụ isiahịrị onye a na-agwa, nakwa onye bụ nnapụta. A na-enwe onye ritere uru maọbụ natara ntaramahụhụ nakwa onye bụ nnapụta.

**Ọmụmaatụ;**

10. Nnenna zulu oshi ọkụkọ Nwude
Nnenna steal-pst steal fowl Nwude
*Nnenna stole Nwude's fowl*
Isiahịrị ngwaa mmeju nnara nnapụta

11. Nne m doziilu Chiọma ọgọdọ nya
Mother me mend-for Chiọma clothes her
*My mother mend Chiọma's clothes for her*

Isiahịrị ngwaa nnara mmeju nnapụta

12. Ọ kwụgwo ghụ ụgwọ ego ghụ S/he
pay-perf you debt money you
*S/he has paid you your money*

Isiahịrị ngwaa nnara mmeju nnapụta 1 nnaputa2

13. Gọọmenti lụụlụ ụmụ ogbenye Eziowele ụnọ
Gọọmentị build-for-pst children poor Eziowele house *Government built house for the poor at Eziowele*

Isiahịrị ngwaa nnara nnapụta mmeju

## Mmechi

Na mmalite nchọcha a, e ji mgbakwasa isiokwu we kọwaa ntọala isiokwu a nke ọma ma gosipụtakwa mkpa ọ dị na e mere nchọcha na ya. E zipụtakwara ebunuche na ajụjụ nchọcha ma nyekwa ụsa ha nke ọma. E lebakwara anya n'ihe ndị odee dị iche iche kwuru gbasara obere isiokwu dị iche iche e meburula yitere isiokwu nchọcha a.

E zipụtara usoro a gbasoro wee mee nchọcha a isi nke anọ metụtara ntucha usoro ụtọasụsụ inwe nnara na ihe niile dị n'ime ya. E sitekwara na nke a mejupụta ebunuche nchọcha a site n'inye ụsa ajụjụ nchọcha. N'agbanyeghị mbọ niile a gbara n'ịtụchapụta ihe niile metụtara isiokwu nchọcha a. Nwanchọcha na-ekwu na nchọcha a abụghị e jechaa ọ gwụ kama na ọ bụ itinyeso ngwa ọrụ n'ọmụmụ asụsụ lgbo nke ndị nchọcha ọzọ nwere ike ilere anya n'ọdịnihu wee mee nchọcha.

## Edensibịa


Agbedo, C.U. (2000).*General Linguistics: An Introductory Reader*. Nsukka: ACE Resources Konsult.

Agbedo, C.U (2001). Mother Tongue Education as Agency of Decolonisation, Implication for National. Ace Resources Konsult.

Agbedo, C.U. (2015). *General Linguistics: Historical and Contemporary Perspectives*, Nsukka: KUMCEE-Ntaesho Press.

Agbo, (2017). Causativity and Transtivity in Igbo. *Journal of Universal Language*.

Agbo & Yuka, (2011).Transtivity and Double Object Construction In Igbo. *Journal of West Africa Languages 38. 2*, 23-47. University of Benin, Nigeria.

Amin, W. O. (2015). *Models of Generative Grammar.* Ibn Rusd College of Education. University of Baghdad. E wetere ya nahttps://www./asj-pdf. 05/09/2019.

Anagbogu, P., Mbah, B.M.& Eme, C. (2010). *Introduction to Linguistics*. Awka: Amaka Dreams.

Anozie, C.N(2007). *General Linguistics; An Introduction*. Enugu: Tashiwa Networks.

Anozie, C.N. (1999). *Lingustic Sayensi Asụsụ.* Nsukka: Fuladu Publishing Company.

Atọwa, C.N. (2019). Noun Phrase Complementation Clauses in Igbo: The Ngwa Dialect Examples. Nchọcha M.A. na Ngalaba Igbo Afrịka na Nzikọrịta ozi, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Awoniyi O. (1972) "On the classification of Yoruba verb", Na banbose (Ed). *The Yoruba verb phrase*/ Ibadan: Ibadan University press.

Banya, (2018). "Sudanese Transtivity, Putting Transtivity to the Test". A Review of Sydney and Cardiff.

Bloomfield, L. (1934). *Language*. London: George Allen and Unwin.

Bloach, B. &Trager, G. (1942).*Outline of Linguistic Analysis*. Baltimore: Society of American Pulishers.

Carine, A. (2013). *Syntax: A Generative Introduction* (3rd ed) Oxford:Wiley Blackwell.

Chomsky, N. (1951). The Morphophonemics of Modern Hebrerw, and especially in the Logical Structure of Linguistics.

Chomsky, N. (1957) *Syntatic Structure*. The Hague: Mouton.

Chomsky, N. (1964). *Current Issues in Linguistics Theory*. Mouton & Co. The Hague. (Ederede Nchọcha a gụpụtara n'ọgbakọ International Congress ke Lingwistiks, Cambridge, MA 1962).

Chomsky, N. (1965). *Aspects of the Theory of Syntax.* Cambridge: MIT Press.

Chomsky, N. (1995). *The Minimalist Program.* London: MIT Press.

Chukwu, V.O & Okoh, F.U. (2001). *Reading in English Language for General Studies.* Onitsha: Outtight Publishers.

Chukwurah, (2015).*Transtivity of Igbo Verbs*. Best Bookshop Inc. Nig.

Crystal, D. (1971) *Alinguistic.* Maryland: Penguin Books inc.

Crystal, D. (1991) *A Dictionary Linọuistic and phonetics*. Oxford:Blackwell,

Crystal, D. & Robert (2000). *Linguistic Genocide in Education.* Mahwah: Lawrence Eribarem Associates, inc. Publishers.

Crystal, D. (2004).*The Language Revolution. M. A*: Polity Press. Na https:ww Journal Pub.com.

Davis, T.I. (1978). *Using our Langauge*. Canada: Dent and Sons.

Drake, H.B. (1965). *Oxford English Course for Secondary Schools*. London: Oxford University Press.

Echebima, G.(2015). *A Text of Igbo Linguistics*. Owerri: Assumpta Press.

Ekulu, C.V. (2009). Lagos: KANDU Publishing Company.

Ekwudu, S.E. (1988). *Ntụziaka n'ọmụmụ Asụsụ, Agụmagụ, Omenala, Ewumewu Igbo nke ndị Sekọndịrị Ukwu nke Mbụ.ụtọasụsụ ọgbara ọhụrụ maka Sekọndịrị na Koleji Kedukeshọn*. Onitsha: Nigerian Educational Publishers.

Emenanjọ, E. N. (1987). *Elements of Modern Igbo Grammar*. Ibadan: Oxford University Press.

Emenanjo, E. N. (1991). *Multilingualism, Minority Languages and Language Policy in Nigeria*. Nkpor: Optimal Press.

Emenanjọ, E. N. (2005:15) Igbo Verb: *Transitivity or Complemetation N'ọzọ-Mekuri. Trends in the Study of Languages and Lingustics in Nigeria:A festschrift for Philip Akujiobi Nwachukwu*. Port Harcourt: Grand Orbit and Communications and Emhai Press.

Emenanjọ, E. N. (2015) *A Grammar of contemporary lgbo*: constituents, features, and Processes. Port Harcourt: M & J. Grand Orbit Communication.

Eyisi, J. (2003). *A Compendium of Common Errors in the Use of English*. Awka: Rex Charles and Patrick.

Ezema T.O. (2012) *Nkuzi ụda Asụsụ Igbo*. Lagos: Uniọue Press.

Ezeumudo, M. O. (1985). *Nchikọta ọmụmụ Asụsụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz and Manilas Publishers.

Ferdnand de suassure (1916). C*ours de linọuistione generale*;' Lausnne-paris payot.

Finch, G.(2000). *Linguistics Terms and Concepts*. New York: Palgrave Mcmillan.

Finegan, E. (2008). *Language: Its Structure* USA: Thomson Higher Education.

Finocchiaro, M. (1989) *English as Second Foreign Language*. Regents: Prentice Hall

Francis, N. (1965) English Language. *An Introduction of Language*. Wardworth: Norton and Company.

Fromkin, V. Rodman, R. & Hyams, N. (2000) *An Introduction to Language*. Wardworth: Cengage Learning.

Gerot ^ Wignal, (1994*) An Introductory Workbook*. Barti Nural Khajatu (Ed.) for the United Community STKIP.

Green, M.M.& Igwe, G.C. (1963). *A Descriptive Grammar of Igbo*. London: Oxford University Press.

Gumperz, J. J. (1972). The Communicative Competence of Bilinguals in the Society. (i): 143-154.

Harimurti, K. (1993). *Kamus Linguistic Gramedia Pustaka Utama*.

Hartman, R. K. & Stork, F. C. (1973). *Dictionary of Language and Linguistics*. London: Prentice Hall International.

Hartwell, P. (1987). *Grammar, Grammars and the Teaching of Grammar. A Sourcebook for Basic Writing Teachers.* New York: Random House.

Haviland, W.A. (2003) *Anthropology.* Wardsworth: Thomson Learning.

Hornby, A. S. (1974). *Oxford Advance Learners Dictionary*. Oxford: Oxford Universal Press.

Hopper & Thompson (1982).The Transitivity Grammar and Discourse: Language. (Eds), *Studies in Transtivity (Syntax and Semantics)*. New York: Accademic Press. 182.pp.459.

Hudson, R. A. (1980). *Sociolinguistics*. Oxford: Cambridge University Press.

Kolln, M. & Funk, R. (1998). *Understanding English Grammar.* Allyn and Bacon.

Ikekeọnwụ, C. Ezikojiakụ, P, Ubani, A. & Ugoji, J. (1999). *Fọnọlọji na Gramma Igbo*Ibadan: Ibadan Press.

Jackendoff, R. (1977). X-Bar Syntax: A Study of Phrase Structure. Cambridge: Cambridge University Press.

Manfredi (2012). "Igbo Transtivity in a Derivational Framework". Bu Personal Website.

Mathews, P.H.(1991) *Morphology.* Cambridge: University Press.

Mba, O. (2022). Nnara na Mmeju n'Ụtọasụsụ Igbo. Nchọcha M.A. na Ngalaba Igbo Afrịka na Nzikọrịta ozi, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Mbah, B. M. (2006). *GB Syntax: Theory and Application to Igbo.* Enugu: St. Jon-Afam Publications.

Mbah, B. M. &E. E. (2014) *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ. Enugu*: University of Nigeria Press.

Mgbemena, A. U. (2006). *Ntọala Usoroasụsụ Igbo*. Ibadan: Gold Press.

Ndimele, O. M. (1999). *A First Course on Mọlọlọji and Syntax*, Port Harcourt. Emhai Printing and publishing.

Ngoesi, M.C. (2000). *Nchịkọta Ihe ọmụmụnke Asụsụ Igbo maka Ule Siniọ Sekọndịrị.* Nkpor: Optimal Press.

Ngoesi, M.C.(2004). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke Asụsụ Igbo maka Ule Seniọ Sekọndịrị.* Onitsha: Optimal Press.

Nneji, O. M. (2018). *"Deletion Transformation*". Edemede ngụpụta ngalaba Lingwistiks, Igbo,asụsụ Naịjiria ndịọzọ, Mahadum Naịjiria, Nsụka.

Nwala, M. A. (2004). *Introduction to Syntax: The Student's Guide.* Abakaliki: Wisdom Publishers.

Nwaeze I. M, (2007) *Ergative, Construction in Imilike Dialect of lgbo*. (MA Thessis), Nsukka.. University of Nigeria.

Nwachukwu, P.A. (1985). Inherent Complement Verbs in Igbo. *Journal of Linguistics Association of Nigeria (JOLAN)3* pp 61-74

Nwachukwu, P.A. (1987). *The Argument Structure in Igbo Verbs.* Cambridge: MIT

Nwaozuzu, G. I. (2017). *Dialects of the Igbo Language*. Nsukka: Mekyno Compuer Venture

Obiọra. T.N. (2004). The Structure of Igbo Verb Phrase. Nchọcha M.A. na Ngalaba Igbo Afrịka na Nzikọrịta ozi, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Ofiri, Chukwu & Anọzie N. (2014) *General lingwustik Sayensi Asụsụ 11, Enugu*: Computer Adge Publishers.

Ọfọegbu, C. O. (2008). *Syntax: An Introductory text.* Enugu: Malchpag publishers.

Ọfọmata, C.E. (2004). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke ndị Siniọ Sekọndịrị*. Enugu: Format Publishers.

Ọfọmata, C. E. (2012). *Omenala na ọdinala ndị Igbo.* Enugu: Format Publishers.

Ọgbalu, F.C. (1972). *School CertificateG.C.E Igbo*. Onitsha: University Publishing Press.

Okafọ, U. & Ewelụkwa, U. (2008). *Nhazi Asụsụ Igbo maka Ule Siniọ Sekọndịrị na Koleji,* W.A.S.S.C.E, N.E.C.O, G.C.E., J.A.M. B, Onitsha: A.C. Publishing Co.

Onuoha, J. (2016). "*Transformational Generative Grammar" NaTheories of Linguistics.* Nsukka: University of Nigeria Press. Ihu 107-115.

Oruchalụ, S.U. (1987). *Fundamentals of Igbo Spelling.* Awka: Njikọka Press.

Oweleke (2015) *Igbo Verb Classes and Their Leụicographic Relevance*: University of Port Harcourt. Grand Orbit.

Ọzọ-Mekuri, N. (2016) *Convergance: English and Nigerian Languages*. Festschrift for Munzali A. Jibril. Port Harcourt: M & J. Grand Orbit Communications Ltd & Emhai Press.

Polanski, K. (1986). "*Some Remarks on Transformations*", Na*Linguistics Across Historical and Geographical Boundaries.*Kastovsky, et al . (ohz) Walter de Gruyter. E wetere ya nahttps://www.thoughtco.com/transformations.

Prasad, T (2009). *A Course in Linguistics.* New Delhi: *VRl* Wearing publishers.

Prasad, T. (2014). *A Course in Linguistics* (2nd ed). Delhi: PHI Learning Private.

Richard, N. (2020). *English Grammar: Discussions, Definitions,* and Examples. E wetere ya nahttps://www.thoughtco.com/whatisgrammar-16909ọ9. 26/08/2021.

Robins (1964). Higher Education in Britain. Vol. 65. Iss. 6.

Sabtu, P. (2012). *Definition of Linguitics, Language and the origin of Language*. E wetere ya nahttps://tha-yunitasari..blogspot.com. 25/05/2020.

Sapir, E (1921). *Language: An Introduction to the Study of Speech.*E wetere ya nahttps://www.bartleby.com. 25/05/2020.

Scott, S. & Permutter, D. M. (1979). *Syntactic Argumentation and the Structure of English.* London: University of California Press.

Scott, T. (1999). *How to Teach Grammar.* England: Pearson Education.

Seinde, A. (1985). *Literary Appreciation.* Ibadan: Onibonoje Press and Book Industry Nig.

Stonehill, G, Westlea & Fuller, D.D. (1979). *Good News Bible. Detrocanonical Appocrypha.* American Bible Society.

Stork, E.C. & Widdowson, J.D.A. (1974). *Learning About Linguistics*. London: Hutchinson and Co.

Thomason, S. G. (2001). *Language Contact*, Edinburgh: Edinburgh University Press.

Thomson, W. (2008). *Language: Its Structure and Use.* USA: Lachina Publishing Services.

Tomori, S. H. (1977). *The Morphology and Syntax of Presnt-Day English.* Ibadan: Heinemann Educational Books.

Traugott, E.C. & Pratt, M. (1980) *Linguistics for Student's Literature*. Harcourt: Braca Jovanovich, Inc.

Uchechukwu, C. & Owalaka (2012) (Ed) The Transtivity Problem of the lgbo verb. *Igbo Language Studies Series 5*.

Udemmadụ, T.N. (2012). Complementation in the Igbo Language. Na *The Ideal Man: A Festscrift in Honour of Professor Obed Muojekwu Anizọba*

Udemmadụ, T. (2014). Nkuzi na Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrika na Eshia, Mahadum Nnamdị Azikiwe, ọka.

Umeh, I. N. (2018). "Mwepu n'Utoasusu Asusu Igbo" N'*Odezurigbo.* Vol.1. 107-119.

Umeodinka, A. & Ugochukwu, C. (2016). "Asusu Igbo di ka Ngwa Ahia" N'*Odezuruigbo. An International Journal of Igbo, Africa and Asian Studies.*

Umeodinka, A.U.(2020). *Introduction to Contrastive Studies: Igbo and English.* Awka: Divine Press.

Wardhaugh, R (2011) *An Introduction to socio-linguistics*. Wiley-Black Well.

Welmer, B. F. & Welmers W.E. (1968) *Igbo: A learner Dictionary*. Los Angeles.

Wen, O. (2014) *Aristotle's Definition of Language International Journal of English Literature and Culture. 2* (8): 194-202.

Wibowo, R. (2001) *Language and Management*. New York: Scholastic.

Williams, J. D. (1999). *The Teachers Grammar Book.* Mahwah: Lawrence Erlbaum Associates Publishers.

Yusuf, G. (2007) *Basic Linguistics for Nigerian Language Teachers*. Aba: M. and Grand Orbit Communications.